# THE VISION OF MILLENNIA2015

## IGBO VERSION

**TRANSLATED**

**BY**

**EWUZIE, UCHE C.**

**(SENIOR LECTURER)**

**FEDERAL COLLEGE OF EDUCATION (TECH)**

**PMB 60 GOMBE, GOMBE STATE, NIGERIA**

**[Member, Millennia2015].**

**uchewuziem@yahoo.com**

## MBUNUCHE MILLENNIA2015

**Millennia2015, nwere mbunuche siri ike maka umu nwanyi ikwuru chim, kwusie ike.**

**Mbunuche ha a putara ihe nke oma site n'ihe nchoputa enwetara n'ihi nnyocha di omimi nke Destree Insititute, Millennia2015, na Innovation Foundation (Public Utility Foundation) kpokobara ora na eze ha wee mee ya bu ogbako site na enyemaka UNESCO nke isi ulo oru ha di na Paris, ka onwa iri na abuo n'afo 2012 di n'abali ato ruo abali isii. [3-6 December, 2012]. N'ebe ahu ka ha no cheputa mbunuche a Oriaku Uche Ewuzie deputara n'asusu Igbo:**

1. **Nke mbu, umu nwanyi na umu nwoke ga eji otu obi kwekorita ihu na echi ga aka mma karia otu o di ugbua. O bughi mmasi anyi iganihu na-adabere n'atumatu ochie nke na egosiputa otu ndi nwoke si were ndi nne nwanyi na umu agbogho ka ndi odighi ihe ozo ha di mma ya karia na ha bu nwanyi. Mana n'eziokwu, umu nwanyi dum n'uwa gbaa gburugburu, ma ha nwere nwa ma ha enweghii, bu ndi kwesiri inwe nkwuwa okwu gbasara ahu ha. Ma ha bu nne ma o bu na ha abughii, ha nwere ike ime ka omenala puta ihe, ime omume na-egosi na ha nwere amamihe, burukwa ndi nwere ike ijiko obi onu wee mee ihe, ya na ime omume bara uru di ka mba nile n'egosiputa. Otutu umu nwanyi na umu agbogho, na-esite na mgbe ha di nwata na-eche echiche otu ha ga-esi kwalite onodu ezinulo, ime ka ezinulo a kwudosie ike, ikuziri umu ntakiri no n'ezinulo ihe ha kwesiri ima, ikpachapu anya n'ihe gbasara onodu ahuike ezinulo, igbasi mbo ike ihu na ha chekwabalu aku na uba ezinulo ha, nke ga-eme ka mmadu nile noro n'odimma. Umu nwanyi na umu**

**agbogho siri ike ma nwekwaa agbamume puru iche, ya mere ha ji enwe ike ikwado ndi nile no n'ezinulo ha, ihe obula o soro ya ya buru ogbochi, ha ga-akwado onye ahu, obunadi ndi nwere olusi nezinulo ha. N'agbanyeghi ihe ndi a nile ha nwere ike ime, nsogbu dikwa: umu nwanyi na umu agbogho bu ndi a na-aghotahie mgbe nile. Otu a ka o di site na mgbe uwa bidoro. Nsogbu a abughi nani mgbe ha na-anagide mkpagbu di n'uwa, kama n'ihi ihu ha mara mma, n'ihi amamihe ha nwere icheputa ihe di mma, ya na ike agwunwamkpi ha nwere bukwa o natara chi. Onodu a di njo karisia n'ebe umu nwanyi ndi nwere orusi na ndi agadi no. Onye obula nime ha ketara oke n'Mbunuche Millennia2015. Enweghi mgbanwe nile, ikpa oke na mkpagbu ma o bu akaike, bu ihe jogburu onwe ya n'onodu nile. Ya mere, anyi nwere nkwesike ikwusi ha nile ma kwaara umu nwanyi na umu agbogho uzo ndu ohuu n'odinihu. Iheuko na mkpa adighi asopuru nwoke ma o bu nwanyi, ma onu ogugu umuaka ole no n'ezinulo, kama o bu onya afo mmadu nile. Ebe obula I huru nwata aguu na-agu ma o bu nke akpiri na-akpo nku, ebe ahu ka I ga-ahukwa nne dara ogbenye, nne aguu na-agukwa, akpiri na-akpokwuazi ya nku. Umu nwanyi na-agba mbo oge nile ihu na-anwughii, ma efughikwa. Ha bu ndi na-egbo agu, ndi na-akwado onodu oma maka echi, ya na ndi na-acho k'udo chia mgbe nile. Umu nwanyi inwe ikikere igu akwukwo, ikikere inweta enyemaka n'ebe onodu ahuike di, imara ikikere ha nwere di ka mmadu, ilekota aku na uba, ituputa atumatu otu ihe ga-esi gaa, na inwe onodu ruru ogo na ochichi ala anyi, ga-ebute mmepe na oganihu obodo anyi, ya na udo. Mana, otutu umu nwanyi na umuaka ataala ahuhu otutu aho ma n'anu ahu ma nime muo. Ufodu bu ndi umu nwoke mebisiri, were ha mere ihe igwuriegwu. N'ebe ufodu, a na-egbu umu nwanyi na umu agbogho ka ewu, ufodu na-anwu ebe ana-ete ha ime, n'ebe ufodukwa, a muo nwa ohuu, o buru nwanyi, e gbuo ya. A na-atoro umu nwanyi na umu agbogho ziga ha ebe a na-eji ha na-akpara ego, ufodukwanu anaghi ekwe ka ha jee akwukwo, ebe ana ebi ndi ozo ugwu ka ha hapu igba n'ilo mgbe ha luru di, n'ihi na otutu kwetere na o buru na ebighi nwanyi ugwu, mmekorita nwoke na nwanyi gana amasi ya na nke ukwuu. Ufodu umu agbogho bu ndi a na-eme ka ha luo di mgbe ha ka di ntakiri, ma o soro ha ma o soghi ha. Nebe ufodu di nwanyi nwuo, nwanyi ahu no na nnukwu nsogbu. Umunne di ya ga-achupu ya, nakoro ihe nile ya na di ya ji biri. Mgbe ufodu, a na-ebo ya ebubo si na o bu ya gburu di ya. O buru na ogbaghara diiri mba abuo, umu nwanyi na umu agbogho na-ata ahuhu n'aka umu nwoke ndi ahu na-alu agha. Ha na-akpuru umu nwanyi na umu agbogho ndia were ha mere ihe soro ha. Otutu umu nwanyi na umu agbogho bu ndi ejieji ugbu a. Ndi ami na-alu agha ji ha anaghi ekwe ka ha jee akwukwo, ulo ogwu, ma o bu ruo oru obula. Otutu umu nwanyi bu ndi na-enweghi onwe ha, ha amaghi ihe obula gbasara ka ha ga-esi chekwaa onwe mgbe ha na nwoke na-emekori, ha anaghi enwete ihe ha ga-eji chere onwe ha ka hapu idiri ime, a na-ete ha ime n'ejeghi n'ulo ogwu. N'obodo ochichi onye kwuo uche ya ufodu, umu nwanyi na umu agbogho na-ata ahuhu ndorondoro ochichi. Anaghi akwu ha**

**ugwo otu esi akwu ndi nwoke n'oru bekee n'ihi na ha ka a na-ewere ka ndi na-anabata ndi obia, ode akwukwo, ya na ndi na-ehichasi ulo oru. Umu nwanyi ga-agbasi mbo ike ime ka nkewa a di n'ulo oru kwusi site na inyuko ya bu amiri onu ka o wee gboo ufufu.**

**Na'agbanyeghi ahuhu na mkpagbu nile ndi a, umu nwanyi nwere ike na ume na-eme ka ha na-acho iru oru. Umu nwanyi na umu agbogho anaghi ahu onwe ha di ka nd ahuhu na mkpa, kama ha na-aga n'ihu ime ihe ga-ebute odimma nye umu ha muru amu, ezinulo ha ya na oganiru obodo ha. Umu nwanyi na umu agbogho siri ike, ha maara nke a nke oma. Ha na-eji otu obi ata ahuhu. Ha na-enwe ihe agbamume site n'ihe umu nwanyi ndi mere nkeoma meputara n'omenala, n'ochichi, na aku na uba nakwa na mmepe obodo ha. Umu nwanyi agaghi ahapu igba mbo maka emee onye ka emere ibe ya, [emee mgbeke otu e si mee okeke], ikekere inwe aka oru nke ga-eweta nnwere onwe, ya na izi nwanne ha ihe ha ma nke ga-abara ya uru. Ha na-agbalisike ime ka nkewa kwusi, ma werekwa otu olu na-ekwu ka e nye ha oke ruru ha. Umu nwanyi na-amalite, jidesie ike ma mee ka o kwuru chim bu ihe obula ha bidoro nke ga-eweta oganihu obodo ha. Umu nwanyi bu ndi gbasiri mbo ike ime ka atumatu 'United Nations Security Council Resolution 1325', gozoro ma buru ihe a na-eme n'obodo ha. Ike anaghi agwu umu nwanyi n'ilu ogu gbasara oke ruru ha.**

**Anyi na-abanye agbohuru nihe gbasaara oku, mmepe obodo, nchedo obodo na udo. Onodu nwoke na nwanyi iha otu, inye umu nwanyi ikikere, ya na igu akwukwo buzi ihe uwa kpu n'onu: anyi ga-aruko oru onu, gbakwaa ndi na-eso anyi n'azu ume maka agbohuru a.**

2. **Umu nwanyi na uru ha ga-aba n'afo 2025.**
   **K'anyi gaa n'ihu n'oge.**

   **N'afo 2025, onodu-iha-otu ndi nwoke na nwanyi ga-akwuruwo chim. Atumatu ndorondoro ochichi umu nwanyi 'United Nations' ga –aputawo ihe nke oma n'obodo di iche iche. Ha nwere ego ga-ezuru ha ime ihe ha na-eme. Nsopuru, usoro iwu, na ezi ochichi ga-aburuwo ihe di oke mkpa n'obodo nile n'ihi oru bunubunu umu nwanyi. Iji otu obi eme ihe emewo mmekorita umuagbogho na umuokorobia ka o di mma ma siekwa ike. Otu ahu ka o dikwa n'ebe umu nwanyi na umu nwoke no, ma n'ezinulo di iche iche, otu di iche iche, otu ahia di iche iche na otu ndorondoro ochichi di iche iche. N'eziokwu, umu nwanyi na umu nwoke ga-amarawo nke oma itughari uche nihe bara uru bu ntonala siri ike na ezi uzo mmepe obobo ga-adigide, ya na odinihu nke uwa. Mgbe onye obula nwere ike inweta technuzu [technology] n'efu ebe obula o no, mmuta na mmuru ga-adi ogologo mgbe, a ga-enwekwa ihe mgbanwe n'onodu aku na uba obodo di iche iche.**

3. **Ebumnobi isii puru iche maka umu mmadu n'afo 2025**

**3.1 Umu nwanyi ikwuru chim ya na-iketa oke ruru ha bu ndabere agamnihu umu mmadu.**

**N'afo 2025, uru umu nwanyi na umu nwoke balu ga-abu ngalaba ntonala obodo. Nke a ga-eme ka umu nwanyi na umu agbogho kwuru n'ukwu ha n'ihi na ha nwere ikekere igu akwukwo ma jeekwa ozuzu di iche iche. Ihe gbasara amaghi aka nri na aka ekpe ha, ma o bu mmadu idi na-adajoghari, agaghi adizikwa. Onu ogugu ndi guru akwukwo ga-abawanye karia ka o di na mbu. Umu nwanyi kacha eme ka ihe gawa agawa n'ebe aku na uba obodo di, ya na ndorondoro ochichi, na oganihu obodo. Nke a na-aputa ihe nke oma mgbe umu nwanyi na umu nwoke jikoro aka onu na- aru oru n'ihe gbasara ochichi obodo.**

**Ihe umu nwanyi na-emeputa n'omumu sayensi na ime nchoputa di omimi n'aputazi ihe ugbu a, di ka ndi e nyere akara ugo na mgbe adighi anya. Umu nwanyi ndi no nime obodo nwere agbamume ma nweekwa afo ojuju n'ihi ikikere ha nwere n'ihe banyere inweta aku na uba ugbu a. Ndi umu nwanyi na umu nwoke nweziri ikikere gbara mkpi o bunadi na-iruko oru onu. Ibu agha megide ihe uko bu ihe gbasaara mmadu nile. Nke a mere ka ndi umu nwanyi na umu nwoke obodo obula ruo oru n'otu wee nweta oganihu ga-ato ato. Ihe nile di mkpa ya na ihe eji ego eme maka umu nwanyi, (igu akwukwo, ebe a na-amu nwa, ilekota ezinulo, ichedo na izu umu ntakiri n'akwukwo, ikikere enweghi nkewa, inweta oru ebe nwere ugwu na nsouru, ugwo oru kwesiri ekwesi, nkwado na nchedo ezemike nka, inwe ikikere ebe ana ahu maka ahu ike, na teknuzu) buzi ihe obodo na-eme. Nke a bukwa otu n'ihe na-echu Out Mba Uwanile (United Nations) ura. Ozo, atumatu maka inweta ikikere kwesiri ekwesi ewuruwo. N'ime nke a, e mere ka umu nwanyi mara iwu a nile ya na otu ha ga-esi mee ka e mee ihe kwesiri ekwesi. United Nations na-agbasi mbo ike mgbe nile ihu na-emere ihe ndi a nile.**

**3.2 Mgbanwe /Nnwogha nwaputalu idinotu. Ekele diri balansi /ebenkwekorita dizi n'etiti umu nwanyi na umu nwoke.**

**N'afo 2025, echiche di iche iche agbanwewo.Nke a mere ka e nwee nghota puru iche n'etiti umu nwanyi na umu nwoke. Nghota, ya na idi uchu ndi nwoke gbasara anyi na ha ihaotu emewo ka ndi mba ozo nile bido ñomiwe ha. Ndi isiala di iche iche achoputawo na ha onwe ha nwekwara ike ibu ndi isi oganihu site na inababata odinala dim ma, wee kwusi iseokwu, akaike na omume ojoo ndi ha naara emeso umu nwanyi, ka ha wee bido riwe uru ihe umu nwanyi nwere ike ime n'uwa gbaa gburugburu. Umu nwoke na umuokorobia bu ndi buuru uzo ju mkpagbu na akike ha jibu soro umu nwanyi. Obodo di iche iche na-añuri oñu n'ihi ihe ndi nwoke mutara n'ulo akwukwo emebere maka ndi na-alu nwanyi. Ozi umu agbogho na nke umu okorobia na-eje n'ezinulo hazi.**

**Onweghi nke ka ibe ya. Nke a ga-enye nwata obula no n'ezinulo ohere igu akwukwo ya nke oma. O na-aguzi ndi nwanyi aguu ugbu a imu sayensi n'ulo akwukwo. Umu nwanyi na-emezi nchoputa di iche iche. Nke a na oru ha na-eme ka aku na uba obodo bawanye n'ihi mmuta ha na sayensi na teknuzu. A na-ewezi ndi mmadu n'okwa di elu n'ulo oru na-agbanyeghi ma o bu nwoke ka o bu nwanyi. Nani ihe onye ahu puru ime ezuwo.**

**3.3 Ntozu mmadu nke putara ihe ka nnaputa mmadu nile bu. N'afo 2025, iwu ozurumba nile nke megidere igbu umu nwanyi ebidogo ruwa oru. Emewo ka obodo obula na-anabata ka e gbuo nwa ebu n'afo n'ihi na o bu nwanyi, ma o bu otu ndorondoro ochichi obula na-akwado ma o bu nye ikikere ka e gbuo nwa obula a muru o buru nwanyi, ya na imesi nwata nwanyi obula ike, mara na anabatazighi omume ndia nile. Umuaka ndi nwanyi nwere nkwanyere ugwu n'obodo ha ya na ezinulo ebe a muru ha. Nke ga-eme ka ha mara na ha bara uru ma mekwaa ka ha ziputa ihe ha puru imere obodo na ezinulo ha. Ihe aru di iche iche ndi nwanyi gabigara n'aka ndi nwoke agaghi emekwa ozo. Ma o bu onye agha ma o bu nwoke nkiti.**

**Atumatu United Nations a na-akpo Millennium Development Goals [MDGs] amitala mkpuru oma nke mere ka oha na eze rukoo oru onu n'ihe banyere mmepe na oganihu obodo.**

**3.4 Ikikere mmadu nwere inweta enyemaka n'onodu ahuike ebe obula n'uwa emeela ka onodu ahuike siwanye ike ma mekwaa ka echi hara idizi ime. N'afo 2025, ndi na-ahu maka onodu ahuike, kachasi umu nwanyi, enweela ozuzu puru iche ka e wee nwee ike hu maka onodu ahuike umu nwanyi na umuaka. E ji asusu ha maara nkeoma were na-elekota umu nwanyi na umuaka, jiri ngwa sayensi na teknuzu zuru oke wee mee ka oru a puta ihe. N'obodo ufodu ebe e nwere mkpa maka ndi oru ahuike, umuagbogho ndi gbarala afo iri na ano [14years] na-aga ozuzu n'ihe gbasara ahuike ka ewee gbochie onwu umu nwanyi na-amu nwa. Nkuzi maka otu esi ebi n'obodo emeela ka oria obirinajaocha (AIDS) belata. Nkuzi maka itu ime nakwa imu nwa bu otu nime okwu gbara okpurukpu Otu Mba Uwa kpu n'onu. N'otu aka ahu, anaghi ekwezi ka umu nwanyi ghara inweta ihe ndi a e ji enyere ndu aka di ka: igu akwukwo, mmiri, ihe na-egbochi afo ime ruo mgbe ha choro itu ime, iru oru bekee, ya na ichekwa aku na uba ha. Ndi ndorondoro ochichi eforola ntutu taa ihu na ihe ndia nile biara na mmezu.**

**3.5 Ihe gbara okpurukpu umu nwanyi na-aruputa n'ezinulo, n'obodo, na ndorondoro ochichi ya na agamnihu aku na uba obodo. N'afo 2020s, nzoputa n'aka ekweghi mmadu nweta ihe ruru ya, ya na nnaputa n'aka iwu edoghi anya ebe o bidoro ya na ebe o kwusiri, nakwa**

**ochichi nchigbu / akaike umu nwoke, putara ihe na otutu ezi oru enyemaka umu nwanyi na-aru maka mmepe obodo site na-igbadosiukwu ike na nziputa ihe nwoke ma o bu nwanyi kwesiri ime, ya na oru na uru nwanyi bara n'ezinulo. Otu nile ketara oke n'ihe gbasaara mgbenwe a achoputala na mgbanwe obodo bu ya na-eweta oganihu na-adigide rue echi. Obodo di iche iche, ma ndi nwere asusu na omenala di iche iche, akowachaarala umuntorobia na ndi agadi ihe ndia nile. Onye obula nime ha amarala ebe onodu ruru ya, ya na ihe o kwesiri ime maka odinihu nakwa mmepe obodo nke ga-ato ato.**

**Ndiisi ndorondoro ochichi nakwa nke aku na uba obodo, ekpebiela ichekwa aku na uba obodo ka umu nwanyi na umuaka ghara ibu osisi nochiri uzo na-ebu apa mma. Di ka nghota zuru oke ha nwere gbasara ihe egwu na mmegide na-eso agha, e nyela umu nwanyi na umuaka ozuzu gbasara ya bu onodu ka ndi nne wee kuziere umu ha ndi nwoke ka ha were ghara iga buru ndi agha mgbe ha ka di na nwata. Enweela atumatu ileba anya n'ihe umu nwanyi ndi si obodo ha jee mba ozo gaa biri. Nke a ga-eme ka ahu na ihe ha na-eme bara uru nye obodo ha si puta ya na obodo ha bi ugbu a, ka ha wee nwekwaa nkwanye ugwu ruru ha.**

**3.6 Atumatu ohuu maka agbo ohuu nke gbadoro ukwu n'udo, agumakwukwo ya na idinotu.**

**N'afo 2025, otutu obodo na-eleba anya ihu na atumatu ohuu ha tuputara ma tinyekwa n'oru na-aga otu o siri kwesi na mgbe ya. Obodo na-ewere amamihe ha tinyere ya usoro onodu uwa ka ihe nile wee na-aga ka o si kwesi. Umu nwanyi akwurula chim n'ihi otu mgbasa ozi na teknuzu, ya na akpaghi oke n'ihe jikoro ihe ndia nile. O bu n'ihi na mba uwa gbaa gburugburu tinyere udo n'oru, ka iwu na-achi ilu agha jiri belata. Ije na igu akwukwo na ozuzu puru iche buzi ihe weere onodu ime ka e nwee ituzuoke ya na oru ndi mmadu ga-aru. Nke a mere ka otutu obodo kwuru chim obuladi mgbe ha nwere nsogbu n'onodu aku na uba ha. Ndi okenye buzi ndi a na-asopuru n'ihi amamihe puru iche ndi ntorobia ma o bu umu ogbarohuu nwere ike inweta n'aka ha. Nkwekorita na idinotu a emewo ka e nwee idinotu siri ike n'eiti ndi nwoke na ndi nwanyi, n'etiti agbo ohuu na agbo ochie, n'etiti igwurube mmadu nile. Odimma mmadu buzi echiche onye obula ya na ihe na-eme n'obodo.**

**Anyi [Millennia2015] nwere ikikere iche echiche di omimi. O bukwa oke na oru anyi igbasi mbo ike. Millennia2015 nwere uzo ihe abuo na-agba anyi agba n'obi, di ka ihe a na-elegara anya nke a ga-enyocha nke oma, ya na uzo di mma ma puokwa iche ga- eziputa mbunuche anyi. Ihe a na-agba anyi agba n'obi bu ime ka umu nwanyi, umu nwoke na umu ogbo ogbarohuu nile buruzie ndi ga**

**anwaputa usoro ichikota atumatu nke oma, site n'itinye ike iru oru n'otu di ka otu ndi.**

4. **Ebumnobi Millennia2015 na 2025**

   **E tinye ndi nile na-aruko oru onu [patnas], na otu di iche iche nke uwa nile, nke ebo nile, na nke ime obodo, Millennia2015 ga-akwadosi ebumnobi Millennium Development Goals [MDGs] ike; ma karisia ihe omume abuo di ezi mkpa:**

   1. **Ime ka ndi nwoke nakwa ndi nwanyi tuzuoke ka o siri kwesi, ya na ime ka mkpagbu nile, kachasi nke a na-akpagbu umu nwanyi na umuagbogho kwusi. Ozokwa, iwelite otu esi elekota umu nwanyi, umuagbogho na umuaka anya nihe gbasara onodu ahuike n'uwa nile gbaa gburugburu;**

   2. **Ime ka onodu nwoke na nwanyi buru otu ihe e kere uzo abuo; onweghi nke ka ibe ya na oru ilekota ngelaba ulo oru di elu kachasi ndi na-ekwu ka a ga-esi chia obodo, na ndi na-ahu na ihe na-aga otu esi doo ya n'usoro, ya na I hu na umu nwanyi gbagotere n'okwa isonye tuputa atumatu otu o ga-esi na-aga na steti ya na isonye na ndi bu isi nke ulo oru di iche iche.**

**Ihe irubama siri ike nke Millennia2015 ga-abu iroputa otu nwanyi ka o buru ode akwukwo nke Mba 'United Nations'. Nke a ga-egosi na e nwego mgbanwe n'otu mba nile si eche echiche, ya na iweputa usoro ohuu ime ka udo na idi n'otu gbasie mgborogwu ike n'uwa nile.**